# ỌFỌ: NGWA IKPENKWỤMỌTỌ N'EJIJE IGBO

**Ayozie, Chioma R.**
**Directorate Of General Studies,**
**Federal University Of Technology, Owerri**
**ayoziechioma2014@gmail.com**

**Ụmịedemede**
Otu n'ime ihe kacha dị mkpa na ndụ ndị mmadụ bụ ikpenkwụmọtọ. Onye ọbụla n'ala Igbo chọrọ ka a na-enwe ikpenkwụmọtọ n'ihi na ọ ga-enye aka dozie ezinaụlọ, agbụrụ, obodo maọbụ mba. Ọtụtụ ihe ka e ji ekpe ikpenkwụmọtọ n'ala Igbo nke ọfọ so n'otu n'ime ya. Ọfọ bụ otu n'ime ngwa ofufe nke ndị Igbo na-akwanyere nnukwu ugwu n'ihi na ọ bụ ngwa ofufe nke e ji ekpe ikpe ziri ezi. Ọ bụ ngwa na-ekwu eziokwu, ngwa ikike nchịkwa nakwa ngwa e ji ahazi iwu n'ụzọ ziri ezi. Mana ọ dịghị etu ahụ n'oge ugbu a. A naghịzi eji ọfọ were ekpebi ikpe, ya mere ikpensọmanya ji were na-abawanye n'obodo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ọrụ dị iche iche ọfọ na-arụ, mkpa ọ dị iji ọfọ were ekpe ikpe ọbụla dapụtaranụ n'obodo nakwa ụzọ dị iche iche ndị odee ejije Igbo a họọrọ siri zipụta ụdị nsogbu e nwere nakwa ụzọ e siri were ọfọ were kpebie ha. Ihe e ji mee ntụcha bụ akwụkwọ ejije Igbo atọ ndị a họọrọ ndị bụ: *O ji ihe Nwata* nke Okoro na Epuchie dere, *Obidiya* nke Akọma dere na *Akụ Fechaa* nke Chukuezi dere. Nchọcha a bụ nke nkọwa. Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na ọfọ na-arụ ọrụ ikpenkwụmọtọ n'etiti ọrụ ndị ọzọ. Nkabi ikpe ọbụla e jiri ọfọ kpee bụ o kwuchaa ọ gwụ. Ọfọ ka a na-ahụ dịka ihe bụ eziokwu n'ihi ikpe ziri ezi bi n'ime eziokwu. N'ụzọ dị mkpa, a na-atụ anya na nchọcha a ga-akpali mmụọ ndị Igbo ịmata uru na ọrụ ọfọ na-arụ. Ọ ga-emekwa ka ọtụtụ ndị Igbo na-agba mbọ maka ikpe ikpe ziri ezi. Ọzọkwa, a na-atụ anya ka e weghachita ọfọ dịka ngwa a ga na-eji akwado, achịkwa, ahazi ma na-ekpe ikpe ziri ezi n'ala Igbo.

## Mkpọlite

Otu ihe kacha dị mkpa na ndụ ụmụ mmadụ bụ ikpenkwụmọtọ. Dịka etu e si kee mmadụ, ha kwenyere na okwu a bụ "e menyere nwa ogwugwu e menyere nwa anosike, udo were chịa". Ọzọ a bụrụ "e mee nwata ka e si mee ibe ya, obi adị ya mma". Mana ọ bụrụ na e meghi ya otu a, nsogbu amalite. Ya bu, ọ ga-adị mma etu e siri meere mmadụ maọbụ ndị, sị sikwa etu ahụ meere onye maọbụ ndị ọzọ. Ụdị mmeso a bụ ihe kacha amasị mmadụ. Ọ bụrụ ma e nwee ikpenkwụmọtọ, udo na ịhụnanya ga-adị n'etiti mmadụ na ibe ya, otu na otu, nakwa n'obodo n'obodo. Ihe mmadụ na-achọ n'ebe mmadụ ibe ya nọ bụ ezi omume, udo, eziokwu, ịkwụba aka ọtọ, ikpe nkwụmọtọ zuru oke na ezi uche n'eleghi mmadụ anya n'ihu bụ ihe dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụkwa ihe ga-eme ka udo na-achị n'etiti nwanne na nwanne, ezinaụlọ, ụmụnna, ọgbakọ, mmadụ nakwa obodo. Ọ bụ ya mere Ifeduba (2009) jiri kwuo na omume n'adịghị mma na-emetụta ụmụ ndị a mụrụ. Ndị Igbo maara ihe na-esi n'omume rụrụ arụ apụta, ya mere ha ji agbalị ka e nwee ezi ukporo n'ihi na ihe ọjọọ nwere ike igbu ọgbọ. Ya mere, onye Igbo ọbụla ji agba mbọ ịhapụ ndụ ezighi ezi ma dabere na ndụ ziri ezi. Agụmagụ so n'otu n'ime ihe e ji akụzi ikpe nkwụmọtọ n'ebe ndị mmadụ nọ.

Ọtụtụ ndị odee akọwaala agụmagụ n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha kwuru na agụmagụ bụ echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla nke e ji asụsụ nka akọwapụta. Onyia na Amamgbo (2018) kwuru na agụmagụ bụ enyo nke a na-esi na ya ezipụta kpọmkwem ihe na-eme na gburugburu anyị nọ n'ime ya. Ya bụ, agụmagụ bụ ụzọ e si elebakarị anya n'ihe na-eme na ndụ ndị mmadụ. Ọ kachasị na ihe gbasara ikpenkwụmọtọ. Ọ bụkwa ụzọ odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa nakwa ihe mmadụ kwenyere na ya. Agụmagụ bụ ihe niile e dere ede maọbụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo maọbụ n'otu oge.

Ejije bụ otu n'ime ụdị agụmagụ atọ e nwere, bụ nke na-enomi agwa mmadụ ma na-egosi ya ihe ọ na-eme. Ayozie (2019:96) kwuru na ejije na-eleba anya na ndụ mmadụ, kọchaa ihe ọjọọ, gbazie mgbazi ma kụzie nkụzi nke mmadụ ji adị ndụ. Nke a pụtara na site n'ejije ka e si eme ka mmadụ mata na mmadụ kwesịrị ịdị na-akwụba aka ya ọtọ, kwuo eziokwu, ma kpee ikpenkwụmọtọ.

N'ihi ọ bụrụ na a kwụbaghị aka ọtọ were kpee ikpe maọbụ e kwughi eziokwu, ọ gaghị eweta udo, ọ gaghi eweta ịdịnotu. Ya mere ndị Igbo na-esi ụzọ dị iche iche were egbochi ya. A na-adụ isi, ṅụọ iyi, sụọ ọfọ iji mee ka udo dịrị.

Ndị Igbo nwere ngwa ofufe dị iche iche nke e ji eme ka e kpee ikpe ziri ezi, mee ka udo chịa, chọpụta eziokwu, mezie esemokwu, chọpụta onye nwe ihe ma chọpụtakwa ihe na-eme n'obodo. Otu n'ime ngwa ofufe ndị a bụ ọfọ. Ihe e jiri mara ọfọ bụ ikpenkwụmọtọ. Arazu (2005:132) kwuru na ọfọ bụ ụzọ ndịichie na mmụọ si enwe mmekọrịta. Ndị odee ejije ugbu a, na-esi n'ederede ha na-akụziri ụmụ mmadụ uru ọ dị ikpe ikpenkwụmọtọ. Ụmụ mmadụ ga-esikwa n'ihe ha gụtara n'ejije were tinye n'ọrụ were mezie okwu ọbụla dapụtaranụ n'obodo.

Nchọcha a, n'ụzọ pụrụ iche, ga-eleba anya na mkpa ọ dị iji ọfọ were ekpe ikpe ọbụla dapụtaranụ nakwa ụzọ dị iche iche ndị odee ejije Igbo ndị a họọrọ bụ *o ji ihe Nwata,Obidiya* na *Akụ Fechaa* siri were zipụta ụdị nsogbu dapụtaranụ nakwa ka e siri were webata ọfọ were mezie okwu ndị ahụ.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

N'ala Igbo, mgbe elu bụ ala ọsa, ndị Igbo nwere ngwa ofufe maọụ dị iche iche nke na-egosi ntụpụtauche n'omenala maọbụ nke nwere mpụtara n'obodo. Ozuzu oke ndụ ndị Igbo na-erugharị okirikiri na ngwa ofufe ndị a nwere mpụtara n'omenala ha. Carol (2011) kwuru na osisi nsọ nwere ihe dị iche iche ọ na-anọchite anya ha dịka ndụ, ihe na-amị ezi mkpụrụ nakwa ihe dịkarịsịrị nsọ. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji akpọ ha osisi nsọ. Ngwa ofufe ndị a dị ọtụtụ, ha nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche. Ọ bụghị ngwa ofufe ndị mmadụ ji egwuriegwu kama ọ bụ ngwa ofufe na-enye aka egosipụta omenala na nkwenye ndị Igbo banyere ihe ha nwere. Ngwa ofufe ndị a nwere nnukwu ọnọdụ n'ebe ofufe, echiche, nkwenye na ndụ ndị Igbo dị. Ngwa ofufe a na-ekwu maka ya bụ ọfọ.

Amamgbo (2021)kwuru na ọfọ bụ osisi nsọ ndị Igbo na-akwanyere ugwu nke ukwuu n'ebe pụrụ ihe Ọ bụ ngwa ofufe ama ama n'ala Igbo. Ọ bụ osisi a na-akwanyere ugwu n'obodo. A na-akpọ osisi ọfọ a "ukwu ọfọ". Ọfọ dịka ihe nnọchianya mmụo nke ọrụ ya dị nsọ. Ọ bụ ngwa ofufe nke na-ejikọ Chukwu na mmadụ, ndị nwụrụ anwụ, ndị dị ndụ na ndị amụbeghị amụ. Ọ dịkwa ka chi nke na-ekwu eziokwu ma na-ekpe ikpenkwụmọtọ.

Ikpenkwụmọtọ bụ ikpe ziri ezi n'enweghị onye a ga-emegide. Otu n'ime uzo ndị Igbo si ahụ na e nwere ikpenkwụmọtọ bụ site n'iji ọfọ. Okorji na Okeke (2011:139) kwuru na ọfọ dịka osisi nke nwere obere mkpụrụ nke ibe akwụkwọ ahụ dị ya ihe ga-eru asaa maọbụ iri n'ọnụ ọgụgụ. Ekwealor (2013:108) kọwara ọfọ dịka osisi a pịchatara site n'osisi aha ya bụ ọfọ. O kwuru na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ ọfọ na-ejikọta obi ndị ịchie niile nke ezinaụlọ, ụmụnna, ogbe, maọbụ obodo. Ọ gara n'ihu kwuo na ọfọ na-egosipụta ikike pụrụ iche, ọ na-egosipụtakwa ikpenkwụmọtọ na ezinaụlọ. Ọfọ bụ ihe na-egosi ike na ọchịchị. Ọkpara ezinaụlọ na-eji ya n'aka mgbe ọ na-ekpe ikpe ezinaụlọ. A na-eji ọfọ agwa ndị ịchie okwu. Ọfọ na-egosipụta ikpe ziri ezi n'etiti ndị Igbo. Ọ bụ ngwa ọdịnala nke ndị Igbo na-eji. Ọ bụ ngwa ikike nke sitere n'aka ndị nna nna anyị na nke a na-ahụta dịka ngwa eziokwu. Mgbe a gọzịrị ọfọ, o nwere ụdị ngosipụta e jiri were mara ọfọ mana ebe ọ kacha sie ike bụ mgbe e nyefere ya nwa nwoke ruo ọtụtụ ọgbọ. N'oge ochie, ndị Igbo na-eji ọfọ were na-eme ọtụtụ ihe. Ndị na-ata ọjị ala, ndị na-agba ndụ na ndị na-agọ agụgọ dị iche iche na-eji ọfọ. Mgbe a na-agụ nwa aha, okenye na-eji ọfọ n'aka were mee omenala ahụ. Onye na-enye mmadụ aha ọzọ, na-eji ọfọ n'aka mgbe ọ na-enye ya aha ahụ. A na-ahụta ọfọ dịka akara eziokwu, ikpenkwụmọtọ iwu na ike ọchịchị n'etiti ndị Igbo. Ebe ọbụla ọfọ dị, a na-enwe ikpenkwụmọtọ, n'ihi "o ji ọfọ ga-ala".

Okorji na Okeke (2011:147) kọwara ọfọ dịka aka ikpe nkwụmọtọ na eziokwu, ebe ndị Igbo tụrụ ilu sị, "egbe bere ugo bere nke sị ibe ya ebela, nku kwaa ya'. N'ịganihu, ka e nwee ikpenkwụmọtọ, ndị Igbo na-ekwu "Ome ihe jide ọfọ". Ha kọwara na ọfọ bụ ihe na-eme ka mmadụ kwuo eziokwu, ọbụladị mgbe mmadụ na-ata ahụhụ maka eziokwu o kwuru. Onye ji ọfọ n'aka agaghị ekwu okwu ụgha. Mgbe ụfọdụ, ndị mmadụ na-enwe ọfọ nke aka ha, kama ha na-ehi aka n'anya nkeọma wee mara na okwu ọ ga-ekwu ga-abụ okwu ziri ezi. Ọ bụrụ onye a kpọrọ ka o kpeere ndị mmadu ikpe, onye ahụ jide ọfọ n'aka, ọ ghaghị ịhụ na okwu niile ọ ga-ekwu maọbụ okwu niile o kwuru ga-abụ okwu ziri ezi, nke aghụghọ maọbụ asị agaghị adị n'ime ya.

A na-eji ọfọ ekwu okwu ọbụla dị oke mkpa n'obodo. N'akụkụ niile nke ala Igbo, ndị na-agba afa na-eji ọfọ eme ihe e ji achọpụta ozi ndị a kọọrọ ha site n'iji mkpụrụ afa. Ndị dibịa Igbo na-ejikarị ya arụ ọrụ n'okwu agwụ ha. E ji ọfọ aṅụ iyi ebe ọbụla a na-ekpezi esemokwu ka e were mata onye kwuru eziokwu. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ na e nwere ikpe azụ, mmụọ na ndịichie ga-ata onye kwuru okwu asị ahụhụ. Ọ bụ nke a kpatara na ọ bụ ọfọ ka e ji ahụta ikpenkwụmọtọ n'ala Igbo. Nwokoye na Eze (2017:289) kwuru na ọfọ dịka ntọala nke mmụọ onye Igbo, nke e jiri ike mmụọ mepụta, nke na-ekepụta, jikọọ, kwadoo ma gbaziere ha. Ya mere e ji wee sị na ọfọ bụ onye nnọchianya mmụọ na ikike okike nke ụwa. O nwere ikike karịrị nke nkịtị iji bibie ihe ọjọọ.

A bịa n'ala Igbo, Igwe ọbụla nwere ọfọ nke o ji achi ndị obodo ya. Ọfọ bụ ihe na-egosi ikike Igwe nwere o ji achị obodo ya. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu sị, "eji m ọfọ, eji m ọgụ". Iji kọwaa onye aka ya dị ọcha, ya mere Nwaorgu (2001:5) jiri kwuo na ọfọ bụ ngwa e ji eme emume nke na-echekwa ezi omume, kwado ezi mmekọrịta nke na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya ma wepụtakwa ụkpọrọ iwu e ji achị ọchịchị nakwa ikpenkwụmọtọ.

Site na nkọwa e nyere gbasara ọfọ dịka ngwa ikpenkwụmọtọ, ọ pụtara na ọfo bụ ngwa ofufe dị nsọ, nke eziokwu, nke na-ekpe ikpe ziri ezi, ngwa na-enye onye na-eji ya ikike ịchụ aja, kpee ekpere, ṅụọ iyi, kwupụta ikpe ziri ezi, kpaa usoro iwu nke dapụtara n'ezinaụlọ, ụmụnna maọbụ obodo ma nyekwa ngọzị maọbụ bụọ onye mehiere ọnụ. Ya bụ, ọfọ bụ ụdị osisi mkpanaaka nke ụfọdụ ndị isiala, ndị eze na ndị ụfọdụ ndị mmọnwụ a họpụtara n'ala Igbo na-eji, nke na-egosi ikike inye iwu, ikike nchịkwa obodo maọbụ nye ikike dịka onyeisi a họpụtara iji ọfọ.

## Ụdị Ọfọ e Nwere

E nwere ọtụtụ ọfọ dị iche iche ndị gụnyere:

### Ọfọ nke Onwe:

Nke a bụ ọfọ mmadụ ọkachasị ụmụ nwoke nwere ike iji. Ndị mmadụ na-enwe ọfọ nke aka ha, kama ha na-ehi aka n'anya nke ọma wee hụ na ha na-ekwu eziokwu. Ya bụ, ọ bụrụ na ụdị onye a bụ onye nwere ọfọ ka a kpọrọ ka o kpee ikpe, onye ahụ jide ọfọ n'aka, ọ ghaghị ịhụ na okwu niile ọ ga-ekwu ga-abụrịrị eziokwu nke ikpemsọmanya adịghị ya. Ejizi (2002:142) kwuru na ọfọ nke onwe na-eme ka e nwee njikọ nke na-adị n'etiti onye nwe ọfọ na ụwa ndị mmụọ. Ọfọ nọchiri anya eziokwu, ezi omume, ịdị ọcha, inye iwu, inwe ikike na ikpe ikpe ziri ezi n'etiti ndị Igbo. Onye ọbụla ga-eji ọfọ a aghaghị ịbụ onye ezi omume na onye na-ekpe ikpenkwụmọtọ. Oji egbe ezu ohi, onye na-emebi iwu enweghị ike ijide ọfọ nke onwe, n'ihi na ọfọ a ga-egbu ụdị onye dị otu a. Nwoke ọbụla na-akwa iko anaghị eji ọfọ a, nke a bụ otu n'ime ihe mere tupu ndị mmadụ a na-ewe ọfọ nke onwe, ndị okenye ga-enye ya ọfọ a ga-ehi aka n'anya nke ọma nyochaa ụdị onye dị otu a tupu e nye ya ọfọ.

### Ọfọ Ezinaụlọ:

Ụdị ọfọ a, na-abụkarị diọkpara ezinaụlọ ahụ na-eji ya. Ekwealor (2013:108) n'aka nke ya kwuru na ọfọ ezinaụlọ bụ onye tọchara n'ezinaụlọ na-ebu ya. Ejizu (2002:126) nwekwara otu nkwenye a, wee kwuo na a naghị azụ ụdị ọfọ a azụ kama ọ na-abụ ihe nketa. Mgbe onye isi ezinaụlọ nwụrụ, bụkwanụ onye ji ọfọ ezinaụlọ, onye nke ọzọ na-eweghara ọfọ a na-abụ di ọkpara ezinaụlọ ahụ. O nweghị onye nwere ike iwere ọfọ mgbe onye ji ọfọ ka dị ndụ. Nke a na-egosi na onye ọbụla ga-enwe ọfọ ezinaụlọ ga-abụ onye mbụ na ezinaụlọ ahụ, ma onye ahụ ọ bụ ọgaranya maọbụ ogbenye. A naghị anọ na mba ọzọ were ebu ọfọ, onye na-ebu ọfọ ga-ebi n'obi nna ya.

### Ọfọ Ụmụnna:

Ụmụnna bụ ezinaụlọ dị iche iche mebere ya, Okafor na Ewelukwa (2012:382) kwuru na ụmụnna, e nwere onye bụ onyeisi ụmụnna. Ọ bụ ọrụ dịịrị onyeisi ụmụnna inye ndị nọ n'okpuru ya ezi ndụmọdụ, kụziekwara ha ezi ụzọ mgbe ha na-ejehie. Ọ bụ ọrụ dịịrị ya idozi esemokwu dapụtara n'ụmụnna. N'ụdị ọfọ a, ọ bụ onye bụ okenye karịa ndị ọzọ niile na-eji ya. Mgbe onye ji ọfọ ụmụnna ahụ nwụọ, onye na-esota ya enwere ọfọ ahu. Ọfọ ahụ bụ nke onye isi n'ụmụnna ahụ ga-eji na-ekwu okwu ziri ezi, na-ekpe ikpenkwụmọtọ, wee ghara ịchọ imegide mmadụ ọbụla. Ejizu (2002:126) kwupụtara na ọfọ ụmụnna bụ onye kacha bụrụ okenye n'usoro ọmụmụ n'ụmụnna ha na-eji ọfọ

ụmụnna were duzie ụmụnna ha. Eziokwu, obi ịdị ọcha na ikpe nkwụmọtọ bụ ihe a tụrụ anya n'aka onye ji ọfọ a.

**Ọfọ Echichi:**

Ụdi ọfọ a bụ ọfọ a na-enye ndị bụ akụ na-ekwu okwu, ndị merela ndị obodo nnukwu ihe a na-ahụ anya. O nweghị ihe jikọtara ụdị ọfọ a na ọfọ ụmụnna na ọfọ ezinaụlọ. N'ụdị ọfọ a, a naghị egbochi onye nwere mmasị iji ya kama a na-adọ ya aka na ntị, mee ka ọ mara na malite mgbe o weere ọfọ a na ọ ga-agba mbọ hụ na ọ na-ebi ezi ndụ, ekpe ikpenkwụmọtọ, nwee obi ọcha ma bụrụkwa onye a ga-ama dịka onye na-ekwu eziokwu oge ọbụla. Ejizu (2002:86) tinyere ọnụ n'okwu a sị, na aha a na-aza n'ọfọ echichi a bụ nke ga-esite n'aha echichi ya dịka ọfọ Ọzọugo, ọfọ Duru, ọfọ Eziaha, dgz.

**Ọfọ Ewumewu:**

Ụdị ọfọ a bụ nke kacha dị ochie n'ala Igbo. O nwere ụfọdụ chi bụ ndị na-arụ ọrụ dị iche iche n'ụzọ omenala nwere ọfọ nke ha na-eji, nke na-egosi ngwa ọrụ nke ha na ndị mmụọ na ndị nna nna ha na-eji ekwurịta okwu.Ndị na-eji ọfọ ndị a aru ọrụ na-egosi na ha na-eji ezi obi ha were arụ ya bụ ọrụ. Ụdị ndị a na-ahụta na-eji ụdị ọfọ a bụ ndị dibịa afa, ndị na-adọ mmiri na ndị dibịa ọdịnala.

Site na nkọwa e nyere n'ụdị ọfọ e nwere n'ala Igbo, o gosiri na ọ bụghi onye ọbụla nwere ikike ijide ọfọ. Ya mere, o doro anya na ọ bụ ndịisi nke ngalaba ndị a dị iche iche na-ejide ọfọ n'etiti ndị mmadụ. A na-atụ anya na ndị a ji ọfọ na ngalaba dị iche iche ga-eji eziokwu, ikpenkwụmọtọ, kwụwa aka ha ọtọ were kpee ikpe dị, ha n'aka. Ndị isi ngalaba ndị a bụ ndị ji ọfọ kwesịrị ịbụ ndị ziri ezi na ndị adịghị ele mmadụ anya n'ihu. Onye ọbụla kwesịrị ijide ọfọ ha n'ihe gbasara mkpebi, ọ dịghị onye a na-atụ anya na ọ ga-ezochi ihe ọjọọ ga-agbanarị ntaramahụhụ nke chi. N'ezie, ọ bụghị naani na ọfọ na-ata ndị ọbụla ji ya ṅụọ iyi asị ahụhụ kama ọ na-atakwa onye ji ya kpee ikpe ezighi ezi ahụhụ.

**Ọrụ Ọfọ na-arụ n'ikpe Ikpenkwụmọtọ**

Ọfọ bụ ngwa ofufe nke na-ahụ na e nwere udo, ịhụnanya, ịdịnotu na ikpe ikpe ziri ezi. N'ebe ndị Igbo nọ, a na-ahụta ọfọ dịka ngwa ofufe nke e ji eme udo, nke yiri osisi omewe iwu nke ozurumba ji ekpe ikpe. A na-eji ọfọ ahụ na e nwere ikpenkwụmọtọ n'ebe a na-ekpe ikpe ọbụla ma hụ na eziokwu pụtara ihe. N'otu aka ahụ, ọfọ na-ahụkwa na e gwuzoro n'eziokwu na ezi omume. Ọfọ bụ ngwa ofufe nke na-enye onye dara iwu ntaramahụhụ dịịrị ya n'obodo. A na-eji ọfọ eme ihe mgbe e nwere nnukwu nsogbu. A na-ewebata ọfọ mgbe e nwere nnukwu nsogbu n'etiti ezinaụlọ maọbụ n'etiti ikwu na ibe maọbu n'etiti obodo na obodo. A na-eji ọfọ aṅụ iyi na ikpe niile dapụtaranụ. Onye eze na-ewepụta ọfọ iji were chọpụta onye na-ekwu eziokwu. A na-eji ọfọ agọpụta onye maọbụ ndị aka ha dị ọcha. Ọfọ na-apụta ihe naanị mgbe a chọrọ ka eziokwu pụta ihe. A na-eji ọfọ aṅụ iyi iji hụ na e nwetara ikpenkwụmọtọ. A na-eji ọfọ egosi onye aka ya dị ọcha. Ndị na-eji ọfọ bụ ndị okenye ezinaụlọ, ogbe na obodo na-edewe aka ha ọcha n'ihi na ha na-eji ọfọ were agọzi mmadụ maọbụkwanụ ekpe ikpe nke ekweghị okwukwu.

Ndị okenye ndị a ga-edewe aka ha ọcha kwụrụ n'eziokwu tupu ọrụ ọfọ ahụ adị ire. Onye na-eji ọfọ kwesịrị ịkwụrụ n'eziokwu ma na-ekwukwa eziokwu n'ihi na ọ kwụwa aka ya ọtọ ma na-ekwukwa eziokwu, ka ọ ga-abụ ha na-akụ ọfọ n'ala mgbe ọbụla e kpebiri okwu, okwu ahụ adị ire ma kwụdosie ike.

N'ezinaụlọ, ogbe maọbụ obodo, mkpebi ọbụla bụ mkpebi ga-enweta udo, ịhụnanya na ịdịnotu bụ ọfọ ka a na-eji were ekpebi ya. E ji ọfọ ama onye aka ya dị ọcha. A na-eji ya achọpụta ihe e zoro ezo ma nyekwa onye maọbụ ndị dara iwu ntaramahụhụ dịịrị ha. Ndị Igbo na-akwanyere ọfọ ugwu ma na-ewepụta ya mgbe e nwere ikpe nke siri ike, iji were mara ndị na-ekwu eziokwu na ndị na-atụ asị n'etiti ndị na-eseokwu. A na-eji ọfọ were ekpe ikpe ọbụla a chọrọ ka e kwuo eziokwu na ya. Ọ bụrụ na a kpọlite otu onye n'ime ndị a na-ekpe ikpe, were kpawa ya ọfọ, n'aka ka ọ ṅụọ iyi, o nweghi ihe ga-eme ya ma ọ bụrụ na ọ bụ eziokwu ka ọ na-ekwu mana ọ ga-anata ntaramahụhụ ozugbo ma ọ bụrụ na ọ bụ asị ka ọ na-atụ.

**Nchịkọta akụko Dị n'*Oji ihe Nwata Welie aka elu***

Akwụkwọ ejije *Oji ihe nwata welie aka elu* bụ nke Okoro na Epuchie dere n'afọ (1995). N'akwụkwọ a, n'obodo Ụmụọma ndị hapụrụ Isiguzo bụ Oji ọfọ nna ha ma chie Ọkparakụ eze n'ihi na Ọkparakụ kpatara ego. Ọ bụ echichi eze obodo Ụmụọma chiri Ọkparakụ mere ka obodo niile daba n'ime oke ọnwụnwa, mmiri ịjụ izo na agụụ, were ruo mgbe e dupuru Isikote ka ọ gaa na mmụọ jụta ase ihe butere nsogbu a dakwasara ha. Ndị mmụọ gwara Isikote ka o mee ka ndị obodo ha mata na a naghị eji maka mmadụ enweghi ego were napụ ya oke ruuru ya. Nke a mere ndị mmụọ na ndịichie jiri zie Isikote ozi ka o zie ndị nze obodo Ụmụọma, ka ha were ebule chara acha, gaa n'ihu ala Ụmụọma chụọ aja, si ka isi bụrụ isi ma ọdụ bụrụkwa ọdụ. Ndị mmụọ na ndị ichie mere ka ndị obodo Ụmụọma mata na aja a ga-eri isi mmadụ ole na ole tupu ala a jụrụ, udo ga-alọghachikwa azụ n'obodo Ụmụọma. Ka Isikote gwachara ndị obodo Ụmụọma ihe o jetere be ndị mmụọ, e chiri Isikote Ichie Ekwueme. Ndị nze mere ihe niile a gwara ha mee. N'abalị ụbọchị ndị nze chụchara aja ahụ, n'ụlọ Ọkparakụ, a hụrụ ka eze Ọkparakụ malitere ịgba ntịrị ọnwụ, ma na-ekwokwa ọnwụ. O teghi aka, Ọkparakụ ekubie ume. Ozugbo Ọkparakụ nwụrụ, amụma mmiri gburu, egbeeluigwe malitere gbawa, mmiri ezowe ozigbo. E werekwara ọchịchị nyeghachi Isiguzo bụ onye o ruru n'aka ịchị ndị obodo Ụmụọma.

**Nchịkọta Akụkọ Dị n'*Akụ Fechaa***

*Akụ fechaa* bụ akwụkwọ ejije nke Chukuezi dere n'afọ (1980). N'obodo Ọtamkpa mgbe Duru Iyi-Mbaa bụ onyeisi nchụaja Iyi-Mbaa nwụrụ. Etu omenala ndị Ọtamkpa siri wee dị, ọ bụ otu afọ onyeisi nchụaja nwụrụ, ebido ọkwụkwụ ya bụ Duru Iyi-Mbaa. Enweghị ike ịkwa Duru ma a ahụghị onye ga-anọchi anya ya dịka iwu ha siri dị. Ọ bụ eze Iyi-Mbaa nke ọhụrụ bụkwa onye ji ọfọ agbara ha ga-achụ aja ọkwụkwụ nke onye ọ na-anọchi anya ya.

Igwe na-achị ndị Ọtamkpa kpọkuru dibịa afa bụ Odumodu ka ọ gwa ndị obodo onye eze Iyi-Mbaa ruru aka ga-anọchi Duru. Odumodu wee sị na onye Iyi-Mbaa tụrụ aka bụ Agụ nwa Okadigbo. Agụ siri ọnwụ na ọ gaghị abụ eze Iyi-Mbaa kama nke ahụ ga-eme, sị ka igwe dagide ala. Agụ hapụrụ obodo ya bụ Ọtamkpa were gbalaa Abọmige. Agụ kpọchiri ntị ịza oku Iyi-Mbaa bụ agbara mmiri Ọtamkpa kpọrọ ya ka ọ bịa fee ya. Ọ bụghị naanị na agụ tinyere ndị Ọtamkpa niile na nsogbu, kama ọ kpasuru agbara obodo ha iwe. Mmadụ anaghi echere agbara aka mgba maka na Akụ fechaa, ọ daara awọ. Agbara Iyi-Mbaa mere Agụ ka o kpuo isi, ma mee ka Agụ si Abomige gaa Ọtamkpa. Ebe a ka dibịa Odumodu mere Agụ ka o hụ ụzọ ọzọ. N'agbanyeghị isi akwara Agụ gbara, o mechara nabata ọkpụkpọ oku agbara Iyi-Mbaa kpọrọ ya bụ ịrụrụ ya ọrụ dịka onyeisi nchụaja Iyi-Mbaa.

**Nchịkọta Akụkọ Dị n'*Obidiya***

*Obidiya* bụ akwụkwọ Akọma dere n'afọ (1988). Oriakụ bụ isi agwa n'ejije a. Ọ bụ ọgaranya mana ọ chọghi ka ogbenye biri. Oriakụ gbara mbọ ịnara Ọnụma ala ya. N'agbanyeghị ikpe onye majistreti kpere, Oriakụ anabataghị ikpe e kpere. Nke a mere Oriakụ jiri gbaa mbọ gobie ndị ogbuu ka ha gbuooro ya Ọnụma. Ndị ogbuu gburu Ọnụma nke mere Obidiya bụ nwunye Ọnụma jiri kwụrụ ọtọ foro ntutu ya taa were kwuo na ọ ga-agba mbọ hụ na o mechiri ezinaụlọ onye gburu di ya.

Obidiya gakwuuru dibịa Akakaaka rịọ ya ka ọ kpọpụtara ya di ya n'ugegbe, ka Ọnụma jiri aka ya kwuo onye na etu e siri gbuo ya. Dibịa Akakaaka mere nke a, ebe a ka Obidiya nọrọ were chọpụta na aka Oriakụ dị n'ọnwụ di ya. Obidiya nyere Akakaaka ego ka ọ hụ na e mechiri ezinaụlọ Oriakụ. Akakaaka mezuru ebumnuuche Obidiya site n'igobi ndị ogbuu ndị ga-egbu Oriakụ. Ma tupu ndị ogbuu ndị a azọpụ njem, Akakaaka mere ka ha jiri ọfọ ṅụọ iyi iji gosi na ha ga-edebe nkwa ha kwere bụ igbu Oriakụ. Nke ahu akwụsịghị ebe ahụ. A gakwara n'ihu ịhụ na ụmụ Oriakụ bụ Chima, Omenụkọ na Adamma nwụrụ.

**Ọru Ọfọ dika e siri Zipụta ya n'ejije ndị a**

Ụdị ọrụ dị iche iche ọfọ na-arụ dịka e siri zipụta ya n'ejije ndị a hoọrọ gụnyere:

**Ịchọpụta ihe:**

E ji ọfọ were chọpụta ihe gbagwojuru obodo, ezinaụlọ maọbụ mmadụ anya. A hụrụ nke a n'akwụkwọ "*Oji ihe nwata welie aka elu*". Mgbe eze Ọkparakụ na ndị obodo Ụmụọma zipụrụ Isikote ka ọ gaa chọpụta ihe mere ụganị jiri dakwasị obodo Ụmụọma ya na mmiri jụrụ izonụ. Mgbe Isikote rutere be Onyeisiala, Onyeisiala kụrụ ọfọ ya n'ala, wee sị Isikote ṅaa ntị nkeọma, ka obere oge gatụrụ, Chukwu Ụkpaabị malitere ikwu okwu. Odee ejije a gosipụtara nke a mgbe Onyeisiala kpọkuru agbara ya;

Onyeisiala; (Onyeisi wepụtara ọfọ were kụọ n'ala were kwuo)
Ebule Ụkpaabị
nwoke dị ike
Ọ ma ama amasịghị amasị
Isikote nwa obodo Ụmụọma
abịaruola ịnụ olu gị.
Ị maara nke bụ ahụ ọkụ
nke butere isi ọwụwa.
kaa, bịa gwa ya
n'ihi na mgbe nwata
bere nne, bee nna
O bechaala ihe o nwere
ibe n'akwa

Olu Agbara: Isikote nwa m,
gwa ndị obodo Ụmụọma
na o ji ihe nwata welie aka elu
aka rawa ya ahụ, o wetuo aka ya,
nwata e werekwa ihe ya.
Gwa ndị nze ka ha were ebule chara acha
gaa n'uhu ala Ụmụọma,
Chụọ aja sị ka
Isi bụrụ isi,
Ma ọdụ bụrụkwa ọdụ.
Gwa ha na ala ha
dị ọkụ n'ihi anya ukwu
na oke ọchịchọ nke ego
nke ha kworo ree
oke nwa ogbenye.
Gwa ha na ala ga-eri mmadụ,
isi mmadụ ole na ole
ga-eso ya,
tupu ala a jụrụ.
Udo alọghachitekwa

(ihu akwụkwọ 67-68)

Site n'ọfọ Onyeisiala kụrụ n'ala ka e siri were chọpụta ihe kpatara obodo Ụmụọma jiri nọrọ na nsogbu. A chọpụtakwara na ndị obodo weere ihe erughiri Ọkparakụ were nye ya, bụ nke tinyere ha n'ọnọdụ ha nọ n'ime ya.

**Ikpenkwụmọtọ:**

A na-eji ọfọ were ekpe ikpenkwụmọtọ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ "*Oji ihe nwata welie aka elu*". Mgbe Onyeisiala kụrụ ọfọ ya n'ala. Mgbe a ka ndịichie kpere ikpe dị n'etiti Ọkparakụ na Isiguzo. Ebe a ka e si were mata na ọ bụghị Ọkparakụ kwesịrị ịbụ eze ndị Ụmụọma. Odee ejije a

zipụtara nke a mgbe onyeisiala kụrụ ọfọ ya n'ala; olu agbara were daa were kwupụta onye kwesịrị ịbụ eze:

Olu agbara: … gwa ha na ala ha
dị ọkụ n'ihi anyukwu
na oke ọchịchọ nke ego
nke ha kworo ree
oke nwa ogbenye
(ihu akwụkwọ 68)

**Inye ntaramahụhụ:**

A na-eji ọfọ were ata ndị mejọrọnụ ahụhụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ "*Oji ihe nwata welie aka elu*". Mgbe Onyeisiala kụrụ ọfọ n'ala, ya mere mgbe olu agbara dara, o mere Isikote mata na aja ahụ ndị Ụmụọma ga-achụ ga-eri isi mmadụ. Isi mmadụ aja riri bụ isi Ọkparakụ bụ onye naara ihe n'eruweghiri ya n'ike. Odee zipụtara nke a mgbe olu agbara kwuru:

Olu agbara; … gwa ha na ala ga-eri mmadụ,
isi mmadụ ole na ole
ga-eso ya,
tupu ala ajụrụ.
Udo alọghachitekwa
(ihu akwụkwọ 68)

Site n'ọfọ Onyeisiala kụrụ n'ala, ka e jiri si n'olu agbara were nye Ọkparakụ ntaramahụhụ ruuru ya. Nke a mere ọ naghi adị mma iwere ihe n'eruweghiri gi n'ike.

**Ikpe ekpere:**

A na-eji ọfọ were ekpe ekpere. Ya bụ ịrịọ Chukwu arịrịọ. N'isi ụtụtụ tupu a zọpụ ụkwụ ebe ọbụla a na-aga, a na-akụ ọfọ iji rịọ Chukwu Abịama ka ọ nọnyere mmadụ n'ihe ọbụla ọ ga-eme n'ụbọchị ahụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ "*Akụ fechaa*", mgbe Agụ chọrọ ịga nta, ọ wara ọjị, were chee ọjị ahụ n'ihu agbara, wee bulite ọfọ ya were kwubie okwu sị:

Chi nwe m,
ekelee m ụnụ.
Taanụ ọjị,
Amadịọha taa ọjị
Ogwugwu taa ọjị.
Ala nwe anyị taa ọjị.
Ọ bụ onye bu ibu
ma ebe ọ ka ya arụ.
Ndụ na ọnwụ dị ụnụ n'aka.
Onye ije amaghị ihe dị n'ụzọ
Ka m na-apụ,
bụrụnụ ndị nche m.
Ọ bịara egbu m, gbuo onwe ya.
Taa bụ oke ụbọchị.
Ebe onye bi ka ọ na-awachi
Duenụ m n'ọhịa nta nke taa.
Zọpụtanụ m na ihe ize ndụ.
Ma duterenụ m anụ.
Ọhịa anu ka m jiri biri.
Onye na nke ya.
Onye na nke ya.
Ọkụkọ ogbenye bụ ehi ya.
Aja agwụ ike
(ihu akwụkwọ 15)

Agụ ji ọfọ ya were kpee ekpere. Ọ rịọrọ chi ya ka o duo ya n'ọhịa nta nke ọ na-akwado ịga. Ya bụ ndị Igbo kwenyere na ọfọ dị ire. Ihe ọbụla mmadụ na-akwado ime, ọ ga-ebu ụzọ were ọfọ ya kpọkuo chi ya ka ọ bịa duo ma nọnyere ya.

**Ịdụ isi:**

A na-eji ọfọ were adụ isi iji were mezuo ihe e kwuru maọbụ ihe ekwekọrịtara. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Obidiya*, mgbe Obidiya bịara na nke Akakaaka were chọpụta na ọ bụ Oriakụ gburu di ya. Ọ gwara dibịa Akakaaka ka ọ hụ na o gbuchapụrụ Oriakụ na ezinaụlọ ya. Obidiya mezuchara ihe dibịa Akakaaka gwara ya iji hụ na e mezuru ebumnobi ya.

Akakaaka kpọrọ ndị ogbuu ka ha jeere ya ozi bụ igbu Oriakụ. Ndị ogbuu nabatara ime ihe Akakaaka kwuru, mana tupu ha azọpụ ije, Akakaaka mere ka ha ṅụọ iyi site n'iji ọfọ were dụọrọ ya isi. Iji gosi na ha ga-edebe ihe ha na ya kwuru ma mezuo ozi e dunyere ha. A hụrụ nke a mgbe Akakaaka kwuru:

Akakaaka; A ga-eme nwa omenala fọdụrụ
Ogbuu: Ịdụ isi
Akakaaka: Nke bụ ịkpa ọfọ na ogu aka
Omeife: Onye kpara ọfọ na ogu aka ọ dụbeghi isi?
Ogbuu: Onye tụrụ aka na nsị, araala ya
Akakaaka; Nke a abụghi nsị
Omeife; Anyị ma. Ọ bụ ụka, bụrụkwa ilu.
Ogbuu: Ị chọrọnụ ka anyi sutu ọfọ ọnụ?
Akakaaka; ụzọ I si ekwu ya adịchaghị mma.
Omeife: Hapụ nke ahụ. Ihe tiri pịị anwụọla. Weta
Ọfọ ka anyị mee omenala
(ihu akwụkwọ 53)

Site na mkparịtaụka dị n'etiti Akakaaka na ndị ogbuu, o gosịrị na ọfọ bụ ngwa ọrụ nke e ji aṅụ iyi, iji gosi na ihe ahụ mmadụ kpebiri na ọ ga-eme na ọ ga-emerịrị ya. O nweghị mgbagha na-adị na ya. Ya bụ Akakaaka mere nke a iji mee ka ndị Ogbuu buru n'obi na ha ga-arụrịrị ọrụ ahụ nke ha naara ego ya.

**Ịjụ ogu:**

Ọfọ bụ otu n'ime ngwa ofufe nke a na-eji ekwupụta na aka mmadụ dị ọcha. A na-eji ya ajụ ogu. Ya bụ onye aka ya dị n'ihe ọjọọ dakwasara mmadụ, ezinaụlọ maọbụ obodo. A na-eji ọfọ were ekwupụta ihe ga-adakwasị onye mere ihe ọjọọ ahụ. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Akụ Fechaa*, mgbe Agụ jụrụ iza oku agbara Iyi-Mbaa kpọrọ ya. Agụ jiri ọfo were jụọ ogu na mgbe o kwuru:

Agụ: Onye sị na ya bụ dimkpa zọnye ụkwụ n'obi nwa Ọkadigbo. (Agụ wepụtara ọfọ ya dị n'ime akpa ya were kwuo)
Uke na-echere ibe ya erikata n'oche eriwe n'ala.
Sị ụganị na ụbịam biri n'ụlọ ya.
Ihe ọjọọ kpọọ ya ihu ụtụtụ niile.
Ọbasị bi n'elu, aka m dị ọcha
Ọ bịara egbu m gbuo onwe ya.
Onye sị ihe ọma adịghị ya mma
Ekwensu sokwuru ya n'ụlọ
(O wee bie ọfọ ya n'ala)
(Ihu akwụkwọ 69)

Site n'ihe Agụ kwupụtara, o gosịrị na ọfọ bụ ngwa e ji ajụ ogu iji gosipụta na aka onye ahụ dị ọcha.

**Ịbụ ọnụ:**

A na-eji ọfọ were ekpe onye mehiere ikpe ma nye ya ntaramahụhụ dịịrị ya. A na-eji ọfọ n'aka were ekwupụta abụmọnụ nke ga-adakwasa onye mere ihe ọjọọ. A na-eji ọfọ were ekwupụta ntaramahụhụ ga-adịrị onye merụrụ ala. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *O ji ihe nwata welie aka elu*, mgbe

ndị nze Ụmụọma gbakọtara ikwupụta abụmọnụ ga-adakwasị onye mere ahụhụ jiri dakwasa obodo Ụmụọma. A hụrụ nke a mgbe nze Ozuome weliri ọfọ ya elu were kwuo:

Nze Ozuome: Ihe anyị na-ekwu bụ
ndụ mmiri, ndụ azụ
Iyi atala ma azụ anwụla
Ma onye ji aka ya
kpara nkụ ahụhụ nọ n'ime ya,
ka ya na ha lụọ.
Asị m ka iyi rie
Sọ onye ọ hụrụ ụkwụ ya

Mgbe Nze Ozuome kwupụtara abụmọnụ a, ndị nze ibe ya kwuru ise-o-o. Ha kụọ ọfọ n'ala. Nke a na-egosi ka ọfọ nụrụ olu ha ma jeere ha ozi nke ha zinyere ya.

## Nchịkọta

Nchọcha a na-ekwu na ndị odee ejije ndị a jiri ejije ha were gosipụta ọfọ dịka ngwa ikpenkwụmọtọ. Ọfọ bụ ngwa ikike, eziokwu na nke na-ekpe ikpe ziri ezi. Ọ na-eguzo dịka e kwuchaa ọgwụ, ọ bụ ngwa e ji achọpụta ihe ma meekwa ka e debe okwu ọbụla maọbụ nkwa ọbụla e kwere. E mere nke a ka ọhanaeze mata nkeọma na ọfọ bụ ngwa na-egosi ikpenkwụmọtọ na onye ọbụla na-eji ya kwesịrị ịkwụwa aka ya ọtọ ma gbaa mbọ ịhụ na ọ na-ekpe ikpe ziri ezi.

## Mmechi

Nchọcha a chọpụtara na ọfọ bụ ngwa ofufe e ji ekpe ikpe ziri ezi n'etiti ndị Igbo. A na-ahụta ya dịka ihe e ji agba akaebe, nke e ji ekwu eziokwu, achọpụta eziokwu, eme udo, enye onye mere ihe ọjọọ ntaramahụhụ, ekpe ikpe ziri ezi. Ikpe ọbụla e ji ọfọ kpee na-abụ e kpechaa ọgwụ. A naghị agbagha ya agbagha. N'otu aka ahụ, ndị odee ejije jiri ejije ha were gosipụta ọrụ ọfọ na-arụ. Mana n'oge ugbu a, nleghara anya e leghara ọfọ mere ka a na-enwe ikpeasọmanya. Eziokwu alaa, asị na nkwugide na-arị ibe ya elu. Ya mere ọ ga-adị mma ma ọ bụrụ na e webata ọfọ dịka ngwa ofufe were tinyere na nke e ji ekpe ikpe n'oge ugbu a. Ọ ga-enye aka na-ebelata mpụ, nkwugide na asị n'obodo ma meekwa ka a na-enwe ikpe nkwụmọtọ n'obodo.

## Edensibia


Akoma, E. (1988). *Obidiya.* Ibadan: Oxford University.

Amamgbo, O.C. (2021). Aha Osisi Nsọ Ụfọdụ; Uru Ha Baara Ndị Igbo. Enyo, vol. 2(1) 154-167

Arazu, R.C. (2005). *Our Religion. Past and Present*. Awka: Martin-kings

Ayozie, C.R. (2019) Anyaukwu: Ọnọdụ a hụrụ na ndụ ndị mmadụ dịka e siri hụ ya n'ejije ndị ụfọdụ. *Interdisciplinary Journal of African & Asia studies,* Vol. 5(1) 94-109.

Carol, M. (2011). *The sacred tree. Ancient and medieval manifestations.* Cambridge: Scholar Publishing.

Chukuezi, A.M. (1980). *Akụ Fechaa.* Ibadan: University Press.

Ejizu, C. (2002). *Ọfọ: Igbo Ritual Symbols*. Enugu: Fourth Dimension Publishers.

Ekwealor, C.C. (2013). *Omenala na Ewumewu Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.

Ifeduba, T. (2009). *The Sacred Ọfọ of Igbo pPeople and the Staff of Moses in Comparison*. www.nairaland.

Nwaorgu, A.E. (2011). *Cultural symbols: The Christian Perspective*. Owerri: T. Afrique International.

Nwokoye, A.N. E, Eze, P.C. (2017). *Igbo Symbols: Developing Aesthetic Values on the Igbo child.* http://dx.doi/org/10.4314/ujah. V 1812.16.

Okorji, R.I. & Okeke, C.O. (2010). Ọfọ na Ogu in Nkpor Speech community: A Conceptional Explication. *Ikenga International Journal of Institute of African Studies*, Vol. 11, No. 1 & 2.

Okoro, L.C. & Epuchie, D.N. (1995). *O Ji Ihe Nwata*. Owerri: Charismatic Forum Publications.

Onyia, C.E. & Amamgbo, O.C. (2018). Iri Ngarị na Ntaramahụhụ so Ya: Nnyocha Akwụkwọ Iduuazi ndị a họọrọ. *Trial-Blazing Discourses on Linguistics and Igbo.* A festschrift in Honour of a first class scholar Professor Gabriella .I. Nwaozuzu. 123-130.